# ỊDỊIKE KARỊA NKE IHEOTITI AHỤ NIILE

## Ọpupu 8:20-32; 9:1-12

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 54 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Kama nāriọritanu ibe-unu aririọ kwa-ubọchi, n'ogologo oge a anākpọ ya Ta; ka obi onye ọ bula n'etiti unu ghara ime etili site n'aghughọ nke nmehie" (Ndi Hibru 3:13).**

**I Ikpé nke Anọ Ahụ: Iheotiti nke odudu**

1. Adọrọ Fero akanántị banyere iheotiti nke odudu, Ọpupu 8:20, 21
2. Moses gwara Fero na agaanapụta ndị Israel pụọ n'ebe iheotiti ahụ dị, Ọpupu 8:22, 23; Abù Ọma 34:7; 91:9, 10; 2 Ihe Emere 16:9
3. Ezitere iheotiti ahụ Fero wee gbalịa ka ya na Moses na Eron nwee mkwekọrịta, Ọpupu 8:24-29; 3:18; Jenesis 46:34
4. Jehova naaza ekpere Moses, ma Fero naalaghachi àzụ́ ná mkwà ya wee náemesi obi ya ike ọzọ, Ọpupu 8:30-32; Ilu 11:3

**II Ikpé nke Ise Ahụ: Iheotiti nke Ajọ Ọrị a Náefeefé N'arụ Anụụlọ**

1. Adọrọ Fero akanántị banyere iheotiti nke gaabịakwasị anụụl;ọ niile, Ọpupu 9:1-3
2. Ewezugakwara Israel iche ọzọ, Ọpupu 9:4
3. Iji gaa n'iru n'igosipụta na ọ bụ ọlụebube, enyere mgbe iheotiti a gaamalite, Ọpupu 9:5
4. Ezitere iheotiti ahụ, Ọpupu 9:6
5. Fero chọpụtara n'eziokwu na echebere anụụlọ niile nke Israel, ma ọ kà naemesi obi ya ike, Ọpupu 9:7

**III Ikpé nke Isii Ahụ: Iheotiti nke Iheofifi**

6. Iheotiti nke iheofifi ka ezitere n'adọghị akanántị, Ọpupu 9:8-10; Deuteronomi 28:27, 35
7. O metụtara ndịmgbasị ahụ tinyere ndị Ijipt niile ọzọ, Ọpupu 9:11
8. Jehova kwere ka obi Fero sieike ọbụná karịa ka ọ dị ná mbụ, Ọpupu 9:12; Ilu 29:1; Nkpughe 16:2, 11

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ihe Wetaara Iheotiti Ahụ Niile**

Anyị ahụwo, n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị garaaga banyere ikpé atọ mbụ ahụ nke Chineke, bụ́ nke awụkwasịrị Ijipt, na nke ọ bụla n'iheotiti niile ahụ ka edoro imegide akụkụ ụfọdụ nke òfùfè ikpere arụsị nke ndị Ijipt. Iheeji mee nke a bụ iji gosipụta na ọ dighị Chineke ọzọ dị ma ọ bụghị Jehova, bụ́ Chineke nke Israel; na igosi ndị Ijipt na ha náefè chi niile nke náenweghị ike, ọbụná n'akụkụ ahụ niile nke ụwa ebe ha náachị.

Nlomi nke agwọ ahụ sitere na mkpán'aka Eron lomiri agwọ niile nke Ijipt bụ ọlụebube alụrụ iji megide òfùfè anaefè agwọ n'Ijipt, na imegide kwa ihe nzuzo niile nke ndịmgbasị ahụ niile. Agwọ ahụ bụụrụ ha chi, ma ọ pụghị ịzọpụta onweya n'aka dị ike nke Chineke Israel. Ime ka mmiri ahụ ghọọ ọbara, n'otù aka ahụ, bụ kwa mmegide dị ọjọọ nye osimiri Nail ha nke dịrị ha nsọ. Iheotiti nke awọ na anwụntà ka ewetakwara ime ka òfùfè arụsị ha bụrụ ihe eledaraanya. N'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke a, anyị gaahụ́ na iheotiti niile nke odudu, na ajọ ọrịa náeféefè n'arụ anụụlọ, na iheofifi n'arụ mmadụ na anụmanụ bụ kwa mbuso agha megide otù ụdị omume ahụ nke ikpere arụsị.

Anyị agụtaghị n'ebe ọ bụla na Moses gbalịrị ikpughe ụgha nke ndịmgbasị ahụ. Ọ mara Chineke ya ma nwee kwa afọojuju, n'onweya, n'ike ahụ kachasị elu egosịrị mgbe Chineke kpugheere Onweya n'etiti ọhịa ahụ náereọkụ, emesi kwa n'ọlụebube niile alụrụ n'iru ndịokenye nke Israel, nke ruru n'ịdịelu kachasị mgbe mkpán'aka Eron lomiri mkpán'aka niile nke ndịmgbasị ahụ. Chineke ji ọlụebube dị ukwuu wee site n'aka Moses zaghachi, mmepụta nke iheotiti ahụ niile nke ekwensu naeme, wee ru mgbe eruru n'otù nke ha náapụghị kwa imepụta. Mgbe ahụ mkwupụta nke ha onweha enweghị kwa ihe agụgọ ọ bụla. Ọlụ dịrị anyị abụghị ikwuchitara Oziọma. Ọ bụrụ na anyị were ikwesi ntụkwasịobi kwue ya, Oziọma gaekwuchitara onweya.

Eziokwu nke achọrọ ime ka o sieike bụ ịdị adị na ọkàkà nke Chineke nke Israel. Ọ bụ ezie na Ụmụ Israel eruwo ógó ma kwesikwa inwere onweha site n'arọ niile nke ifè òfùfè ha nagideworo. Ma mgbakwasị ụkwụ nke arịrịọ anaarịọ ka arapụ ha abụghị n'ihi nke a. Ọ bụ n'ihi na Chineke ha kwesịrị ịbụ Onye nwe ifè òfùfè ha niile na nrubeisi ha, na ọ bụ kwa ọlụ dịrị Fero, n'onweya irubere Ya isi.

Ọtụtụ mgbe, mgbe anyị nọ n'ime mmehie, anyị naenwe mmetụta nke aka Chineke nke náama anyị ikpé náabara anyị mba n'ihi ụzọ ọjọọ niile anyị. Ọ naadị mfé ịrapụ mmehie ụfọdụ -- nke ahụ naewuta karị anyị -- náeche na ime nke a gaeme ka iwe Chineke dajụọ wee mee ka olu ikpéọmụma nke obi anyị kwụsị. Ma Chineke achọghị ka ọ bụrụ náánị iwepụ mmehie ụfọdụ na nwaoge, kama ime uche Ya niile na ịrapụ mmehie ọ bụla. Náenweghị obiabụọ ọ gaatọworị Fero ụtọ ya na ndị Israel inwe mkwekọrịta banyere inwere onweha, dịka otù onye na ibe ya; ma anyị nwereike ịhụ́ na isi ihe ha naazọ́ dị ukwuu karịa nke a. Ọ chọghị inye Chineke nke Israel nsọpụrụ zuruòkè, kama ọ

rọọrọ ịnọgide n’ọnọdụ ifè arụsị ya. Site na nke ahụ anyị pụrụ ịmụta eziokwu dị ukwuu. Mgbe Chineke naagwa anyị okwu site n’Okwu Ya, ọ baghị urù ịnaatụgharị maọbụ náagbalị ịchọ ụzọ anyị gaesi ghara imezu ihe ahụ O kwuru. Ọ bụrụ na anyị gaanata ihe ọ bụla n’aka Chineke anyị aghaghị ikwenye ịbami nime uche Chineke wee nyebiga onweanyị n’ụzọ zuruòkè.

**Odudu Baraụba Nke Ukwuu**

Adọrọ Fero akanántị ogologo mgbe tupu ezite iheotiti nke odudu. Agwara ya na ọ bụrụ na o rubeghị isi n’iwu nke Chineke nke Israel, na odudu baraụba nke ukwuu gaabịakwasị ha. N’ezie ụdị iheotiti nke a, ya na adịghị ọcha na ibugharị ọrịa ya, ka agaasị na ọ bụ ihe kachasị ịsọoyi nke nwereike ịbịakwasị mba. Ma Fero ejighị ịdọakanántị ahụ kpọrọihe – odudu ahụ wee bịa.

Chineke adịghị echèzọ ndị Ya. N’ọtụtụ arọ náesote, Onye déré Abù Ọma, eleghịanya mgbe ọ naatụgharị uche banyere oge a nke mkpagbu n’Ijipt, dèrè na “ihe-otiti agaghị abịaru kwa nso ulo-ikwu gi.” Jehova adịghị echèzọ ndị ahụ obi ha zuruòkè n’ebe Ọ nọ na ndị ntụkwasịobi ha dị n’Onye ahụ pụrụ ime ihe niile. Ndị Israel ahụ nke nọ n’Ijipt abụghị kwa ndị agụpụrụ.

Lee ụdị mmeso ọma na óké ịhụn’anya emere ka ha pụta ìhè n’okwu niile nke Chineke: “M’gētiye kwa ngbaputa (ma-ọbụ ịkpá-okè) n’etiti **ndim** na ndi gi.” Ọ dịghị mgbe ọ bụla chi niile nke Ijipt nyere ndị ogbenye ahụ eduhiere eduhie naefè ha, bụ́ ndị náagbaso kwa ememe niile nke ifè òfùfè ha kwa ụbọchị ụdị ịgba ume nime dị otú a. Ha nwere ịnụọkụ n’obi nke anaapụghị ịhụ́ ụdị ya n’ihe ọ bụla ọzọ ana emeeme. Chi ụgha niile ahụ nke ndị Ijipt apụghị inwe mmetuta ọ bụla n’ihe náeme ndị náefè ha. Ọ bụ náání otù Chineke dị! Chi niile ọzọ bụ ọlụaka niile nke setan chépụtara iji duhie ụmụmmadụ na iwere ihe ọzọ dochie ọnọdụ ahụ nke emeere náání Chineke n’Onweya ịnọchi.

Ike dị ukwuu nke iheotiti mbibi ahụ mere ka Fero mgbe ọ náamakwaghị ihe ọ gaeme kweta inye ohere ntakịrị: “Jenu, chuara Chineke unu àjà n’ala nka.” Ma mkweta n’ụzọ dị ntakịrị a ezughị. Chineke na mmadụ adịghị agbakọ izù maọbụ enwe mgbághá. Ọ naachọ nrubeisi zuruòkè; ọ dịghị ihe ọ bụla ewepụrụ na nke a gaezu. Ọ bụrụ na ọ bụ ihe anaapụghị ime nye ndị Israel ịchụàjà n’Ijipt na mbụ, ọ ka bụ kwa ihe anaapụghị ime. Ndị Ijipt, bụ́ ndị kwesịrị ntụkwasịobi n’ebe chi ha niile nke anụmanụ dị, agaghị eguzo nso hụ́ ka eji chi ha niile ahụ achụrụ Onye ọzọ nke ha náamaghị àjà. Moses zubere iso Chineke n’ozuzuòkè, o wee nọgidesieike n’ihe mbụ ha chọrọ. Onyeọchịchị ahụ chọkwara ụzọ ọ gaesi ghara imezu ihe ahụ achọro site n’inye iwu a: “Unu agagh-eje ebe di anya nke-uku.” Moses weere ikike ahụ Fero nyere ka ndị Israel laa, o wee rịọ Jehova arịrịọ; o wee bụrụ na mgbe ahụ akàrà àkà ọ dịkwaghị otù odudu fọdụrụ n’Ijipt nke bụ óké ọlụebube n’onweya.

**Ajọ Ọrị a Náeféefè N’arụ Anụụlọ Niile**

Mgbanwe ahụ nke dị n’échìchè Fero, mgbe ewezugasịrị iheotiti ahụ, mekwara ka okwu malite ọzọ; Moses wee bata n’ụlọukwuu eze ikwu okwu arịrịọ banyere Israel na ịdọ Fero akanántị banyere iheotiti nke ise ahụ nke gaje ịbịakwasị ndị Ijipt, ma Israel ka ọ naagaghị eru arụ. Iheotiti ahụ bịara n’ihi na Fero jụrụ ihe Chineke kwuru; ma mgbe ike ya gazuru n’ala Ijipt niile, Fero zigara ijé hụ́ ma o metụtara anụulo nke ndị Israel. Ihe ọ chọpụtara kwesịrị ime ka ọ ghọta nkeọma na Chineke nke Israel naalụọlụ megide Ijipt, n’ihi na ọ dịghị otù nime anụụlọ niile nke Israel o metụrụ.

Agwara anyị na odudu na arụ́rụ́ ọzọ niile ka ha naefè dịka chi, na ọbịbịa nke odudu bara óké ụba dị otú ahụ nke bibiri ala ahụ gaemeworị n’ezie ka ndị Ijipt lelịa chi ha nke odudu. Ajọ ọrịa ahụ náefèefè gburu ọtụtụ anụụlọ n’Ijipt, nke bụ kwa ihe ha naefè òfùfè. Chi ha ọ bụla ka Chineke nke Israel busoro agha mee kwa ka abàghị n’ihe ha pụta ìhè.

**Iheofifi N’Arụ Mmadụ Na Anụmanụ**

Iheotiti nke isii bụ́ iheofifi n’arụ mmadụ na anụmanụ, bụ kwa ajọ iheotiti ọzọ megide ọtụtụ nime chi niile nke ndị Ijipt. Ezitere ya náebughị ụzọ dọọ akanántị. Agwara anyị n’akụkọ ụwa, na ọ bụ omen’ala n’ọtụtụ ebe ndị mmadụ nọ iji mmadụ náachụàjà nye chi ha dị icheiche ya na ọtụtụ ihe nsureọkụ nke ụdị dị icheiche iji mee ka iwe nke ụfọdụ chi ha dajụọ. Mgbe ịchụàjà a gasịrị ha naewere ụfọdụ nime ntụ ahụ niile wụlie ha elu, ka ọ wụdakwasị ndị nọ n’ebe ahụ. Ihe eji eme nke a bụ iji gbochie ihe ọjọọ. Ma ugbu a Chineke tụgharịrị ihe ịrịbaàmà ahụ niile ha ji eme nke a. Chineke nyere Moses iwu ka o si n’óké ọkụ kporo ntụ -- iji mee ka omen’ala ha bụrụ ihe náabaghị urù -- fesasịa kwa ha n’iru Eluigwe. Mgbe ntụ ahụ wụdatara iheotiti jọgburu onweya pụtara n’arụ mmadụ na anụmanụ. Ọbụná ndịmgbasị ahụ niile ka ọ dakwasịrị, ha apụghị kwa iguzo n’iru Moses ọzọ n’ihi iheofifi ahụ niile.

Pọl Onyeozi naekwu banyere mmadụ abụọ, Janis na Jambris bụ aha ha, ndị anyị naeche na ha so nime ndịmgbasị ahụ, na ha bụ ndị ajụrụajụ n’ihe banyere okwukwe anyị, náasị kwa na ha apụghị, ịga n’iru karịa n’oge nke ha, n’ihi na enweghị uche ha pụtara ìhè nye mmadụ niile (2 Timọti 3:8, 9). Anyị anụghị kwa banyere ndịmgbasị ahụ ọzọ mgbe ewetasịrị iheotiti nke iheofifi ahụ. Ha ahụwo aka Chineke ka ọ naalụ ọlụebube niile nke ha apụghị iji ike ha niile mepụta. Ha ahụwo kwa ka otù Aka ahụ naewepụ iheotiti ahụ na mgbe akàrà àkà -- nke bụ́ kwa ọlụebube dị ukwuu, n’anya mmadụ, karịa izite iheotiti ahụ niile. Ma ọ naadị ka ha nọgidere n’uche ajụrụajụ n’ebe okwukwe ahụ dị, ma emesịa óké iwe nke Chineke wee bibie ha.

**Óké Mkpagbu Ahụ**

Ọ dị ihe dị omimi nke yiri onweha n'iheotiti niile nke Ijipt na oge ikpé nke gaje ịbịakwasị ụwa. Agwara anyị n'Akwụkwọ Mkpughe, banyere ọtụtụ iheotiti nke agaezite n'ụwa n'oge ahụ nke mwụpụ nke ọnụma Chineke n'eluụwa nke náajụ Kraist. Ọ bụ kwa n'otù usoro ahụ Chineke ji kpee ndị Ijipt ikpé Ya, o kwesịkwara ịkpali anyị inyocha obi anyị nkeọma ka ewee gụọ anyị ná ndị kwesịrị ekwesị ịgbanarị ihe niile ahụ nke gaje ime.

Anyị hụrụ na ikpé niile ndịa bịakwasịrị Ijipt n'ihi na ha nyefere onweha n'ifè ihe niile ọ bụla ọzọ ma ọ bụghị Chineke. Ha bịakwasịrị Ijipt iji kwada na iji weda chi ha niile n'ala wee bulie ezi Chineke elu n'ọnọdụ bụ́ nke Ya n'ezie. Ha bịara ịbụ ikpé ịdakwasị ndị niile naajụ Chineke na ndị ahụ nyebigara onweha ná nduhie ụgha niile.

Mgbe Onyenweanyị bịasịrị, ná Mwelikọ nke ndịnsọ, ọnụma nke zuruókè nke Óké Mkpagbu ahụ gaadakwasi ụwa nke a. N'oge a nke mkpagbu ahụ Chineke gaawụpụ iwe na ikpé Ya. Agaeche ya iru megide onye ahụ náemegide Kraist na ndị niile náeso ya, ndị ahụ reworo onweha nye onye ahụ náemebi iwu na ndị ahụ náráworo akàrà ya n'aka ha maọbụ n'egedege iru ha. Náagbanyeghị na iheotiti niile dakwasịrị Ijipt dị ọjọọ nke ukwuu, apụghị iji ha tụnyere ịdịukwuu nke iheotiti ahụ niile agaawụkwasị ụwa mgbe agaawụpụ óké iwe nke Chineke n'oge ahụ. Iheotiti niile nke Ijipt bụ ihe ịdọakananti nye anyị. Ha gaenyere anyị aka, ma ọbụrụ na anyị añaa ntị na ha, ịgbanarị ụbọchị ọjọọ ahụ nke oké iwe Chineke matakwa nkeọma na anyị bụ ndị òtù nke arụ nke mmụọ ahụ bụ́ Nwanyị ahụ Anaalụ Ọhụụ nke Kraist

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee ịdọakanánti enyere Fero tupu iheotiti ahụ nke odudu abịa?
2. Òlee ụdị ịkpáokè enyere Ụmụ Israel n'oge a?
3. Òlee mmetụta iheotiti ahụ nwere n'ebe Fero nọ?
4. Fero ò mere ihe o kwuru?
5. Gịnị bụ iheotiti nke ise, gịnị bụ kwa ihe o metụtara?
6. Gịnị mere Fero ji zigaa ndị nchọpụta n'ala Goshen n'oge a?
7. Òlee ụzọ iheotiti nke isii ahụ si metụta ndịmgbasị ahụ?
8. N'ihi gịnị ka Chineke ji kwe ka obi Fero sieike?
9. Gịnị ka agaeji iheotiti niile nke Ijipt tụnyere?
10. Òlee ndị agaewepụ iche n'ebe oké ọnụma nke Chineke dị n'ụbọchị ikpéazụ̀?